# NDỤMỌDỤ́ DỊ ICHEICHE NYE NDỊKRAIST

**1 Pita 3:1-22; 4:1-19; 5:1-11**

**IHEỌ̀MỤ̀MỤ̀ 453**

**Nke Ndị okenye**

**AMAOKWU IBUN'ISI: "Chineke nke amara nile, Onye kpọbatara unu n'ebube ebigh-ebi Ya nime Kraist, mgbe unu huworo ahuhu nwa oge, Ya onwe-Ya gēme ka unu zue okè, me kwa ka unu guzosie ike, me kwa ka unu di ike, tọ kwa unu ntọ-ala" (1 Pita 5:10).**

**I Ndụmọdụ niile nke Pita nye Nzukọ Kraist**

1. Pita naewepụta ọlụ niile nke ndị bụ nwunye na ndị bụ di, ma náekwu kwa otú ndịnyom bụ́ NdịKraist gaesi ná eji ejiji, 1 Pita 3:1-7; 1 Ndị Kọrint 7:13-16; Ndi Efesọs 5:22-25.
2. O nyere ndụmọdụ ịhụrịta n'anya na ịdịn'otù, tinyere kwa ịhụjuanya náatụghị egwù n'ihi Kraist, 1 Pita 3:8-18; 4:1-5, 7-11; Ndi Rom 12:10; Ndi Kọlọsi 3:12.
3. Kraist kwusara oziọma nye ndị mmụọ nọ n'ụlọmkpọrọ tutu Ọ rịgo n'Eluigwe, 1 Pita 3:19-22; 4:6.
4. NdịKraist agaghị naeche na ọ bụ ihe anaahụghị mgbe ọ bụla oge ha nwere ọnwụnwa ọkụ, 1 Pita 4:12-19.
5. Ndịokenye gaeji obi ha niile náazụ̀ igweatụrụ Chineke, 1 Pita 5:1-4; Ọlu Ndi-ozi 20:28; 1 Timọti 4:16.
6. Nwenu obi dị umeala, anyaudo, náechenu nche, onye ahụ nke naekuru unu gaa ikpe bụ́ ekwensu dịka ọdụm, náagbọ ụja naejeghari, náachọ onye ọ gaelomi, 1 Pita 5:5-10; Luk 22:31; 1 Ndi Tesalọnaika 5:6.

## NKỌWA DỊ ICHEICHE

### Ọlụ dị icheiche nke ndị bụ Nwunye na ndị bụ́ Di

Site ná nrọpụta nke Chineke, nwoke ka edoro ịbụisi nke ezinaụlọ. Eleghị anya ọ pụrụ ịbụ onye náekweghị n'Oziọma, ọ ka nọ kwa n'ịbụisi nke ezinaụlọ ahụ, aga emeso kwa ya dịka onye bụ́ isi oge niile omume ya náemegideghị iwu nke Chineke. Enwereike site n'omume nke nwunye ahụ rite di ya n'urù nye Onyenweanyị. Sera kpọrọ Abraham onyenweya site ná nsọpụrụ na òfùfè nke iruabụọ náadịghị, ma anyị ekwenyeghị na Abraham mesoro ya ka orù maọbụ odibo.

Ịhụn'anya nke dị n'etiti di na nwunye kwesịrị ịbụ ihe ra nrata. Ọ bụrụ na anyị bụ NdịKraist anyị kwesịrị iketarikọ ihe niile mmetụtara ndụ: ọlụ, nke ọra mmadụ na nke dị na ezinaụlọ. Ihe nwanyị na àjámma nime nwoke bụ inwe ume na obiike. Ihe nwoke naàjá mma nime nwanyị bụ mma nke elu arụ na ikwesị ntụkwasịobi. Mma nke omume bụ ihe dị óké mkpà karịa mma nke iru na nke arụ. Nwanyị bụ onye náadịghịike ma ọ naamasị ya inwe mmetụta nke ike nke nwoke ahụ pụrụ inye; nwoke ahụ naanabata kwa nkeọma ịhụnanya na òfùfè ahụ nke nwanyị ahụ pụrụ inye.

Pita kwuru na ha bụ kwa ndị náeketakọ amara nke Chineke. Ọ bụrụ na ha bụ ndị náeketakọ ihe mgbe ahụ enwere ịranarata n'etiti ha n'ihe niile metụtara ihe nke imemmụọ. Ha gaabụ ndị náeketarịkọ òkè n'ọñụ na iruuju, ọgan'iru na ọdịda nke onweha.

### Ejiji Ndịnyom

Ịdịọcha na ejiji dị mfé naagakọta akanaaka mgbe niile. Ọchịchọ nke nwanyị site n'òkìkè bụ ka ọ naadị mma n'ile ya anya. Ma nwanyị nke bụ́ OnyeKraist achọghị ọtụtụ óké ihe ịchọmma ime ya ka ọ mmamma. Ọ dịghị ọtụtụ iheịchọ mma nke pụrụ iwere ọnọdụ nke mmụọ nke ịdịnwayọ na obi umeala. Onyenweanyị naele anya n'obi; ọ bụrụ na obi ahụ ziriezi, ihe oyiyi ya gaadaba nkeọma. Agwara anyị na ndịnyom naekweghịekwe na mgbe ochie naakpakwakọta ọlaedo n'agịrịisi ha ime ka ọ dịkarịa mma ileanya. Nke ahụ naakọwa "ikpaisi" ahụ nke Pita rụtụrụaka. Ọ naewe nnukwu ego, ma enweghị ejiji dị ókéọnụahịa ọ bụla nke pụrụ ịnọchi anya ndụ ahụ jupụtara n'amara. Ọchịchọ nke nwanyị bụ́ OnyeKraist bụ igosi site ná ndụ na ụdị ejiji ya na ya onweya bụ onye náesoụzọ Kraist; ná abụghị ịgbalị igosi onweya n'ụzọ náezighiezi, na ime ka ya onweya bụrụ ihenkriri site n'ejiji náekwesighịekwesi maọbụ nke dị ókéọnụahịa.

**Nye Ndị mmụọ ahụ nọ n'Ụlọmkpọrọ**

Ihe ndepụta a nke Akwụkwọnsọ abụrụwo nke dị ike ịghọta. Anyị pụrụ ịkọwa ihe dị n'Akwụkwọnsọ site n'ihe edere n'Akwụkwọnsọ. Anyị matara na nime oge ahụ n'etiti ọnwụ Jisọs n'elu obe na mbiliten'ọnwụ Ya na Ọ gara paradais, n'ihi na Ọ gwara onyeori ahụ nke nọ n'elu obe sị "Taa ka mu na gi gānọ na paradais."

Pita, n'Ụbọchị Pentikọst, mgbe ọ naagwa ọra mmadụ ahụ okwu banyere mbiliten'ọnwụ nke Jisọs, ọ rụtụrụ aka n'ihe edere n'Abù Ọma 16:10: "N'ihi na I gagh arapuru ala-mọ nkpuru-obim; I gagh enye onye-ebere Gi ka ọ hu mbibi."

Pọl gwara anyị ná Ndi Efesọs 4:7-11: "Ma ọ bụ ayi nile n'otù n'otù ka enyere amara ahụ dịka ọtùtù nke onyinye Kraist si di. N'ihi nka a ọ sị, Mgbe ọ rigoro n'elu, Ọ dọtara ùsù ndị adọtara n'agha n'agha, nye kwa madu onyinye di iche iche. (Ma ugbu a Ọ rigoro, gini ka ọ bu ma ọ bugh na Ọ rida-kwa-ra nime akuku uwa dikarisiri ala? Onye ridara bu kwa Onye ahu nke rigoro n'ebe kachasi elu-igwe nile elu nke uku, ka O wee mezu ihe nile) Ya onwe-ya nye-kwa-ra ufọdu ka ha buru ndi nēzisa ozi-ọma; nye kwa ufọdu ka ha buru ndi nāzu aturu Chineke na ndi ozizi." Otù ihe a nke edere n'Akwaụkwọnsọ pụtaziri ihe nkeọma nime Abù Ọma 68:17, 18: "Ugbọ-ala Chineke dị orù nnù uzọ abụa na  nnù iri, ha di nnù abụa na ọgu iri uzọ nādigh iguta ọnu: Onye-nwe-ayi nọ n'etiti ha, Sainai di nime ebe nsọ Ya. I rigoruwo n'ebe di elu, dọta usu ndi adọtara n'agha n'agha; I natawo onyinye di iche iche n'etiti madu."

Agwara anyị na n'oge ochie mgbe onyeọchịagha nwere óké mmeri, ọ gaedugharị ndị ọ dọtara n'agha gabiga n'okporoụzọ niile ma naatụpụ onyinye dị icheiche site n'onyinye iruọma nke ọ natara.

Debora n'abụ mmeri ya ọ bụ̀rụ̀, "Teta, teta, Debora: teta, teta, kwue okwu abù: bilie, Berak, dọta usu ndi ị dọtara n'agha n'agha" (Ndi-ikpe 5:12).

Anyị matara na mgbe Jisọs siri na ndị nwụrụanwụ bilie, Ọ pụtara bụrụ onye meriworo mmehie, ọnwụ na ọkụalammụọ. Mgbe Ọ rịgoruru n'elu O zidatara Mmụọ Nsọ n'ụwa a ma nye ụmụmmadụ onyinye dị icheiche. Lee nkọwa maramma nke a bụ!

Ọ pụrụ ịbụ na mmezu nke ihe ndị a gaabụ mgbe Jisọs gaabịaghachị n'ụwa nke a ịchịisi wee dugharịa ndịnsọ Ya n'awara ụzọ niile nke obodo Jerusalem ma rọpụtakwara ha ọnọdụ isoro Ya chịaọchịchị.

Ihe ndịa a edere n'Akwụkwọnsọ nyere anyị nnyobaanya ụfọdụ nime ihe niile nke Jisọs mere n'agbata ọnwụ na mbiliten'ọnwụ Ya. Ihe O kwusara maọbụ nke Ọ kpọsara nye ndị ahụ nọ na Hedis ka anyị naamataghị kwa. Baịbụl agwaghị anyị.

Anyị matara site n'ọtụtụ iheedere n'Akwụkwọnsọ na o nweghị ohere ọzọ nke mmadụ nwere mgbe onye ahụ nwụsịrị inweta ndụ ebighịebi. "Dika ọ bụ kwa ihe edebeworo mmadụ ka ha nwụa anwụ náánị otù mgbe, ma mgbe nka gasiri ikpe eso ya" (Ndi-Hibru 9:27). O nweghị kwa ebe ịtaahụhụ nwa oge (Purgatory) dị ebe mmadụ pụrụ ịga nọdụ rue mgbe ndịnchụàjà gaesite n'ekpere kpepụta ya.

Anyị nwere akụkọ nke Jisọs kọrọ banyere ọgaranya ahụ na Lazarọs. Ọgaranya ahụ rịọrọ Abraham ka o zighachi Lazarọs n'ụwa ịdọ ụmụnne ya ise akanántị ka ha ghara kwa ịbịa n'ebe mmekpaarụ ahụ. Abraham sịrị, "Ọ buru na ha anugh olu Moses na ndi-amuma, agagh-eme kwa ka ha kwenye, asi na otù onye esi ná ndi nwuru anwu bilie" (Luk 16:31).

Onye mmehie ahụ nke náechégharịghị site ná mmehie niile ya wee nata kwa mgbaghara n'ihi ha mgbe ọ ka naebindụ n'ụwa a, enweghị ohere nke ịgbanarị ahụhụ nke ọkụalammụọ.

Chineke zitere Jisọs n'ụwa nke a wee kwenyere Ya ịnwụ ọnwụ n'elu obe ka anyị ghara ịlan'iyi kama ka anyị nwee ndụ ebighịebi. O nyere anyị ndụ náánị otù mgbe n'ebe a ka anyị wee mee mkpebi ebe anyị gaanọ ebighịebi. Ma mgbe ọ bụla anyị gafere n'ofè ọzọ, akachiwo ákàrà ahụ.

**Ọnwụnwa Ọkụ**

N'oge ụfọdụ NdịKraist naagabiga ọtụtụ ọnwụnwa ọkụ: ọnwụnwa nke mkpagbu, ọnwụnwa nke obi iruuju, ọnwụnwa nke ọrịa na nhụjuanya. Agwara anyị ka anyị ñụrịaọñụ ebe anyị naesonye n'inwekọ ahụhụ nke Kraist. Ebube nke Jisọs gaadị ukwu n'ihi óké ahụhụ ahụ nke Ọ gabigara rue iwetara anyị mgbapụta. Ọ bụrụ na anyị ahụọahụhụ n'ihi Ya n'ebe a, ọñụ dị ukwu ka anyị gaenwe n'ofè nke ọzọ. Ọ bụrụ na anyị pụrụ ijidesi eziokwu ahụ ike, ọ gaenyere anyị aka ime ka ibu nke ọnwụnwa ọkụ anyị niile dị mfé. Ọ bụrụ na anyị ahụ́ọahụhụ dịka OnyeKraist, ihere ekwesịghị ime anyị n'ihe ọ bụla; ma ọ bụrụ na anyị ahụ́ọahụhụ maka iheọjọọ anyị mere, ọ naewetara anyị wetakwara Oziọma nke Jisọs iheihere.

Ikpé naamalite n'ụlọ nke Chineke. Anyị agaghị eme ihe ọjọọ wee náeleanya ịgbanarị ikpé. Anyị gaaghọta mkpụrụ karịa ka anyị kụrụ. Ọtụtụ mgbe Onyenweanyị naenye anyị ahụhụ iji mee ka anyị guzozie. Lee otú o si kamma ịnara ụtarị nke mkpan'aka nke ịdọakanántị n'ebe a ka o wee bara anyị urù, karịa ịba n'ahụhụ ebighịebi. "Ọ buru kwa na ọ di ike izọpụta onye ezi-omume, òle ebe agēgosi onye nādigh-asọpuru Chineke na onye nmehie?" (1 Pita 4:18).

**Ọlụ nke Onyeọ̀zụ̀zụ̀atụrụ**

"Nāzunu igwe-aturu nta Chineke." Pita echéfubeghị ihe ọ̀mụ̀mụ̀ ahụ nke ọ mụtara ngwangwa mkpọgide n'obe na mbiliten'ọnwụ nke Kraist gasịrị. N'ihi na o sowo Onyenweanyị ihe karịrị arọ atọ. Akpọwo ya ịrapụ ụgbọ ya eji egbu azụ ịbụ onye ọ́kụ̀ náakụta mmadụ. Ma ugbu a n'ịda mba, ezughịike, na ime ihe náechéghị uche, ọ sịrị ụfọdụ nime ndị náesoụzọ Jisọs, "Anamaga igbu azu." Ha sị ya "Ayi onwe-ayi gēso gi je." Mgbe ọ bụla anyị zohiere ụkwụ ọ gaemetụta ndịọzọ.

Jisọs arapụghị ya n'ịdamba ahụ kama O mere ihe ebube iji gosi ndị náesoụzọ Ya na Ya ka bụ kwa otù Jisọs ahụ dịka mgbe O soro ha jégharịa n'ụsọ mmiri nke Galili. Mgbe O nyesịrị ha nri, Ọ gwara Pita okwu metụrụ ya n'obi, Saimon, nwa Jọn, ị huru m n'anya"? Jisọs jụgharịrị ajụjụ ahụ ugbò atọ. Anyị kwere na n'oge ọ bụla ajụjụ a dara, ọ naagami nime obi Pita ka ọ ghara ịlaghachi kwa azụ ọzọ. Mgbe Jisọs gwara ya ka ọ náazụ "igwe-atụrụ" Ya, Pita mụtara iheọ̀mụ̀mụ̀ nke ọ naechéfughị ọzọ maọlị.

Ugbu a Pita naadụ ndị ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ ọzọ ọdụ́ ka ha náazụ igwèatụrụ nke Chineke: ka ha náeme ya n'afọòfùfò, ọ bụghị n'ihe ụgwọọlụ ma ọbụ urù ego nke ha gaanata; maọbụ dịka ndị nwe mmadụ n'ebe ihe nketa nke Chineke dị. Ha gaelepụanya ịnata ụgwọọlụ ha mgbe Onyeisi Ọ̀zụ̀zụ̀atụrụ ahụ gaapụtaihè.

"Nwe anya-udo, nēchenu nche: onye ahụ nke nēkuru unu ga ikpé, bụ́ ekwensu, dika ọdum nāgbọ ụja, ọ nējeghari nāchọ onye ọ gēlomi: ma nēguzogidenu ya, n'ihi na unu di ike n'okwukwe unu, …. Ma Chineke nke amara nile, …. gēme ka unu zue òkè, me kwa ka unu guzosie ike, me kwa ka unu di ike, tọ kwa unu ntọala" ( 1 Pita 5:8-10).

## AJỤJỤ DỊ ICHEICHE

1. Òlee otú nwunye gaesi meso di náekweghịekwe?
2. Òlee otú di gaesi meso nwunye ya?
3. Òlee ụdị ịchọmma ka mma karịa ejiji dị ókéọnụahịa?
4. Gịnị bụ urù anyị naeweta mgbe anyị naahụ́ ahụhụ n'ihi Kraist?
5. Òlee mkwà nke pụrụ inyere anyị aka ịgabiga ọnwụnwa ọkụ niile anyị?
6. Òlee ndị ganaazụ igwéatụrụ nke Chineke?
7. Gịnị bụ iheọ̀mụ̀mụ̀ nke Pita mụtara n'ihe banyere ịzụ atụrụ ahụ?
8. Ònye naachọ ilomi atụrụ ahụ?
9. Gịnị bụ ndụmọdụ́ nke Pita nyere iji nyere anyị aka iguzogide onyeiro ahụ?
10. Kpọọ aha ihe atọ nke Jisọs meriri site n'ọnwụ na mbilite n'ọnwụ Ya.